# MMEHIE NKE MIRIAM NA ERON
## Ọnu-ọgugu 12:1-16
## IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 100 – Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ka agua ndi okenye ná ndi kwesiri nsọpuru okpukpu abua, bú ndi nāchi isi nke-ọma" (I Timọti 5:17).**

**Ọkpụkpọ nke Moses**

N'ụbọchị ahụ nke Moses hụrụ osisi ntà ahụ náere ọkụ nime ọzara Sainai, Chineke kpọrọ ya ka ọ laghachi n'Ijipt ga kpọpụta ndị Israel n'ịbụ orù. Moses bụ ihe dị nsọ, wee náalụ kwa ọtụtụ ọlụ ebube site n'aka ya. Moses ekweghị na mbụ iwere ọlụ ahụ dị ukwuu otú a, náekwu na ya enweghị ike ikwuokwu n'iru Fero. Chineke chọrọrị iziga nááníị ya, ma mgbe ọ rụgidere ụkà na ya enweghị ike ịgwa eze ahụ okwu, Chineke wee sị na Eron gaeso ya jee ikwuchita ọnụ ya. Lee otú ọkpụkpọ nke Moses si dị ukwuu karị nke Eron, n'ihi na Chineke sịrị na ọ bụ nááníị Moses gaanụ olu Ya, na ọ bụ ya gaagwa kwa Eron ihe ọ gaekwu. "Ya onwe-ya gāgwara gi ndim okwu ọ gēru kwa, na ya onwe-ya gāburu gi ọnu, gi onwe-gi gābu-kwa-ra ya Chineke" (Ọpupu 4:16). Ọbụná mgbe Eron ghọrị onyeisinchụàjà, Moses ka nwekwara ike site n'aka Chineke ịgwa ya ihe ọ gaeme.

**Miriam Onyeamụma**

Ọ dịghị ebe ekwuru nime Akwụkwọnsọ na Chineke kpọrọ Miriam òkù ijéozi ma mgbe Ụmụ Israel gabigara osimiri Uhie ebe ndị Ijipt mikpuwokwararị na mmiri ahụ nke laghachitara, ekwuru ihe banyere ya dịka onye amụma nwanyị na ọ bụkwara abụ̀ mmeri: "Unu bukue JEHOVA abù, n'ihi na O biliwo elu nke uku; inyinya na onye ọ nēbụ, ọ tubawo ha n'oké osimiri" (Ọpupu 15:20, 21). N'akwụkwọ Maika kwa 6:4, anyị naagụ sị: "N'ihi na M'mere ka I si n'ala Ijipt rigoputa ọ bu kwa n'ulọ ndi-oru ka M'gbaputara-gi; M'we ziga Moses na Eron na Miriam iga n'iru-gi." N'ihi nke a anyị mara na Chineke rọpụtakwara Miriam. Ma Moses ka bụ kwa onyendú nke Ụmụ Israel niile, náabịaru kwa Chineke nso karịsịa. O kwesịrị ka onye ọ bụla sọpụrụ ya tinyekwara nwanne ya nwoke na nwanne ya nwanyị.

**Nganga**

Otù ụbọchị Eron na Miriam chéfuru ọnọdụ ha dịka ndị náenyere Moses aka. Nganga batara n'obi ha, ha wee kwujọọ nwanne ha nwoke Moses, n'ihi gịnị ka mmadụ abụọ ndịa gaedo onweha ikpé onye nke Chineke dị umeala n'obi ikpé? Ihe ngọpụ ha bụ, "Ọ̀ bu ezie na nání Moses ka JEHOVA weworo kwue okwu? Ọ̀ bugh kwa ayi ka O wereworo kwue okwu?"

Oge ụfọdụ ndị mmadụ naewere ihe ngọpụ ahụ mgbe ha naachọ ikwutọ ndị ukọ Chukwu ha. "Ọ bugh kwa ayi ka JEHOVA wereworo kwue okwu?" "Àyi onwe-ayi enwegh kwa Okwu Chineke?" "Àyi ga-erube isi n'ihe ndi ukọ-Chukwu na-agwa ayi?"

Ha nwere Okwu Chineke, maọbụrụ na ha gaamụ ya nkeọma mmehie ha ka agaekpughere ha. Nke a bụ ihe Akwụkwọnsọ naekwu: "Nēkwenyenu ndi-isi-unu, nēdokwanu onwe-unu n'okpuru ha: n'ihi na ndi ahu nāmu anya n'ihi nkpuru-obi unu, dika ndi gāza ajuju bayere unu; ka ha we were ọñu me nka, ghara isu udè" (Ndi Hibru 13:17); na "Ka agua ndi-okenye ná ndi kwesiri nsọpuru okpukpu abua, bu ndi nāchi isi nke-ọma, ma nke kachasinu ndi nādọgbu onwe-ha n'ọlu nime Okwu Chineke na ozizi" (I Timọti 5:17).

**Obiumeala nke Moses**

N'ezie Moses egosipụtawo na site n'olụebube niile nke Chineke lụworo site n'aka ya na ọ bụ Chineke zitere ya. Ma ọ dịghị mgbe o nwere mpako maọbụ rọpụta nsọpụrụ ọ bụla nye onweya. Ọ naadị yarịị ka ọ nwụọ kama agaalá Ụmụ Israel n'iyi. Ọ rapụworị obí Fero ebe o biri dịka onyenketa nke ocheeze n'Ijipt, n'ihi na ọ chọrọ inyere ndị ya aka pụọ n'ịbụ orù. Ihe niile o nwere o werewo ha nye inyere ndịọzọ aka náagbanyeghị nke a, ọtụtụ oge ka Ụmụ Israel tamurù ntamù megide ya. Ugbu a ndị ahụ nke nọ ya nso karịsịa ebuliwo onweha elu imegide ya. Ma Moses azaghachighị -- ọbụná otù okwu.

Moses bụ nwoke dị obiumeala dịka Onyeamụma ukwu ọzọ nke gaabịa. Chineke gwara Moses otù ụbọchị sị, "M'gēme ka onye amuma, nke di ka gi, biliere ha site n'etiti umu-nne-ha, M'gētiye kwa okwum nile n'ọnu-ya, Ọ gāgwa kwa ha okwu nile nke M'gēnye ya n'iwu" (Deuteronomi 18:18). Pita mere ka o guzosie ike n'Ụbọchị Pentikọst (Ọlu Ndi-ozi 3:22) na Jisọs bụ Onyeamụma ahụ. Anyị gaahụta ihe yiri ibe ya n'etiti Moses na Kraist n'iheọ̀mụ̀mụ̀ a? Ekwuru nke a banyere Jisọs, "Onye, mgbe anēkwutọ ya, Ọ digh ekwutọghachi ọzọ; mgbe ọ nāhu ahuhu, ọ digh aba nba; kama ọ rara onwe-Ya nye n'aka Onye ahu nke nēkpe ikpé ziri ezi" (I Pita 2:23). Ma dịka ekwujọrọ Moses site n'aka ndị èzínaụlọ ya, eburu amụma na Jisọs, kwa, gaahụ́ ahụhụ n'aka ndị ahụ naanọ ya nso karịsịa: "Ọbuná nwoke

nke mu na ya di n’udo, onye m’tukwasiri obi, onye nēri nrim, o mewo ikiri-ukwu-ya ọ di uku imegidem” (Abù Ọma 41:9).

**Ntị Chineke nke Náanụ Ihe**

Ọbụná asị na Moses azaghachighị Miriam na Eron ihe ọ bụla Chineke náege ntị. Ọ hụrụ onye ahụ dị umeala n’obi na onye wedatara onweya n’ala bụ́ Moses n’anya. Ngwangwa Chineke kpọrọ ha atọ baa nime Ụlọikwu ahụ, n’oche ikpé. Ọ gwara Miriam na Eron sị, “Orum Moses ..; n’ulom nile onye kwesiri ntukwasi-obi ka ọ bu.” Ọ chọghị ka onye ọ bụla kwue megide ya.

Chineke kọwaara Miriam na Eron na Moses dị ukwuu karị onye amụma nkịtị. N’ebe ndị amụma ọzọ nọ Chineke naagwa ha okwu site ná nrọ̀ na n’ọhụ̀ dị icheiche ma n’ebe Moses nọ Ọ gwara yarị okwu dịka “eyi na eyi.” Chineke kpughekwaara Moses ebube Ya karị otú O kpugheere mmadụ ọ bụla ọzọ. Moses gara n’ugwu ahụ nke ugbò abụọ ịnata Iwu, ebube nke Chineke dị ukwuu n’arụ ya nke mere na ndị Israel apụghị ilegide ya anya mgbe ọ rịdatara, rue mgbe o kpudoro ihe mkpudo n’iru ya. Ha maara ihe ndị ahụ niile. Chineke wee jụọ sị, “Ọ bu kwa gini mere unu nātugh egwù ikwu okwu megide orùm, bú imegide Moses?”

Chineke naeche ndị bụ èzí ndị ụkọ Chukwu Ya nche ná ekwupụta okwu ikpé n’isi onye ọ bụla nke náeleda ha anya n’ụzọ ọ bụla. Ndị ụkọ Chukwu ndị náasọpụrụ Akwụkwọnsọ ya na òzízí ya niile ka Chineke rọpụtara ma kpọọ kwa, ọ bụrụ kwa na anyị atamùa ntamù megide ha, anyị naatamù megide Chineke. Chineke naajụta n’aka ha banyere ihe ọ bụla ha naakụzi, ma ọ bụ ihe dịrị anyị ịsọpụrụ okwu ha, na ijisiike n’inyere ha aka site ná nrubeisi anyị. Anyị gaagụ ha ná ndị kwesịrị ịhụn’anya, “n’ihi ọlu ha” (I Ndị Tesalọnaika 5:12, 13).

Ndị ọ bụla nke náatamù ntamù megide ndị ndú ha agaghị agbanarị ahụhụ. Ikpé Chineke n’arụ Miriam bụ na ọ ghọrọ onye ekpenta. Lee ụdị ọrịa ọjọọ dị otú a! Ọ gaekewapụ ya n’ebe ndị niile ọ hụrụ n’anya nọ. Ọnwụ naabịa nwayọ nwayọ site n’ekpenta, ma onye nke náarịa ọrịa ahụ aghaghị ịnọ náání ya maọbụ nọnyere ndịọzọ nwere ụdị ọrịa ahụ. Mgbe onye ọ bụla naabịaru ya nso, ọ ghagh iti mkpu sị “adịgh-ọcha, adigh-ọcha.” Nke ahụ ọ̀ bụghị ahụhụ dị egwù nye Miriam na Eron n’ihi mmehie nke ntamù ha?

**Nchègharị**

Ha chègharịrị ngwangwa, Eron wee rịọ Moses ka o kpeere Miriam, ekpere. O wedara onweya ala wee kpọọ Moses, “Onye-nwem.” Eron ghọtara na ya emeworị ihe nzuzu n’iche na ya na Moses ra, o wee kpọkue nwoke ahụ nke o ledaworo anya ka o kpeere ya ekpere. Moses nwere mmụọ nke Kraist nime ya nke naeme ebere mgbe niile. Ọ gwaghị Miriam sị, “Nka bụ ihe kwesịrị gị.” Kama ọ kpọkuru Jehova sị, “Chineke, biko me ka aru-ya di ike, biko.” O kpesiri ekpere ike na n’eziokwu niile, Chineke wee za. Ngwangwa anyị chègharịrị ná mmehie anyị ma gwa Jisọs na o wutere anyị, Ọ naasachapu ha niile, anyị ewee dị ọcha.

Ọ bụ mmehie dị óké egwù ka Miriam, na Eron mere, ọ bụ ezie na Chineke nwere obi ebere ma zaa kwa ekpere nke Moses, Ọ sịrị na agaemechibido nwanyị ahụ ụzọ n’àzú n’ọmụma ụlọikwuu ụbọchị asaa n’ihi adịghị ọcha ya site n’ekpenta. Dịka iwu ha si dị, ọ bụrụ na nna eleda nwa ya nwanyị anya site n’ibusa ya ọnụmmiri n’iru ọ gaanọ ọnọdụ adịgh ọcha rue ụbọchị asaa. Lee otú mmehie nke a Miriam mere si dị ukwuu karị, ò kwesịghị ka agụa ya n’onye náadịghị ọcha rue ọbụná ogologo ụbọchị ra otú ahụ? Ma agwọrọ Miriam ma mgbe oge ahụ gasịrị o weghachiri ọnọdụ ya ọzọ n’etiti Ụmụ Israel. Otú a ka egosịrị ebere nye ndị ahụ chègharịworo n’ihe ọjọọ nke ha mere.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Ònye bụ onyendú nke Ụmụ Israel?
2. Òlee otú o si nweta ọkpụkpọ ya?
3. Gịnị bụ ọnọdụ Eron na Miriam?
4. Gịnị bụ mmehie nke Miriam na Eron?
5. Òlee otú Chineke chọrọ ka anyị si náemeso ndị náejere Ya ozi?
6. Gịnị mere Miriam n’ihi mmehie ya?
7. Moses ọ̀ mara ya ikpé? Gịnị ka Moses meere ya?
8. Òlee otú anyị si mara na Miriam na Eron chègharịrị?